# Ọrụ Mmwulite Omume Ọma na Agwa

Onye ahụ nke akpọrọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwa ihe O kwuru.

***1Tesalonaịka 5:24***

## Nnyocha Akwukwo

Izụ Ụmụ N'uzo Pụrụ Iche: Ịzụlite ụmụaka site na àgwà di n'Akwụkwọ Nsọ nke na-agbanwe omenala

**Kathy Koch**

N'akwụkwọ ya, ***Izụ Ụmụ N'uzo Pụrụ Iche: Ịzụlite ụmụaka site na àgwà di n'Akwụkwọ Nsọ nke na-agbanwe omenala***, Kathy Koch na-enye nne na nna nghọta iji nyere ha aka ịkụziri ụmụ ha inwe àgwà dika ndi na-eso ntụzi Akwụkwọ Nsọ, tinyekwuo nkọwa nke ihe ndị nne na nna na ụmụaka nwere ike ime iji kwalite àgwà nke Akwụkwọ Nsọ. Ọ malitere site n'ịtụle ihe àgwà mmadụ pụtara na ihe mere o ji dị mkpa. Ọ na-ehota ***Os Guinness*** na nkọwa agwa: *agwa bụ ụdị dị n'ime nke na-eme ka onye ọ bụla ma ọ bụ ihe ọ bụla bụrụ ihe ọ bụ - ma mmadụ, mmanya, ma ọ bụ oge akụkọ ihe mere eme ... Tinyere mmadụ na nkowa a, ọ bụ "ihe" dị mkpa n'ime mmadu nke mere ya ihe o bu, eziokwu dị n'ime nke echiche, okwu, mkpebi, omume, na mmekọrịta gbanyere mkpọrọgwụ ha*. Ọ na-akọwa na e nwere àgwà anọ jikọrọ ọnụ: ndidi nkwudosi ike, ntụkwasị obi, na ezi obi. Ọ dị mkpa n'ihi na agwa na-ekpebi ọdịnihu mmadụ. Ihe na-akpali àgwà nke Akwụkwọ Nsọ bụ ụzọ na uche Chineke. A na-elenyere agwa anya, ọ na-akpụzikwa aha anyị, na-ekpebi ihe ndị anyị kwesiri I bu ụzọ kporo mkpa, ọ dabere na nkwenye na ụkpụrụ, biazie, na-eje ozi dị ka ọchịchị ime anyị. Koch na-ekwu na ụmụaka nwere ike (a) ịmụta ihe ha ga-eme, (b) chọrọ ime ya, na (c) dị njikere ime ya, ma chọrọ nduzi nke Mmụọ Nsọ. Àgwà sitere n'akwukwo Nso dabeere n'àgwà ezi omume, ụkpụrụ omume ọma, na ụkpụrụ a na-apụghị ịgbagha agbagha dịka o di n'akwukwo Nso. Chineke na-eche banyere ndụ ụmụaka ugbu a. Ya mere, mgbanwe ga-ekwe omume mgbe ha na-erubere Mmụọ Chineke isi. Ebe ọ bụ na nkwenye na-eduba na omume, ọ dị mkpa ịkụzi ihe ndị a. Ha aghaghị ikwere na atọ n'out Chineke di Ngozi, yana n'ihe Chineke, Jizọs, na Mmụọ Nsọ meere ha, nwere ike I mere ha, ma meekwara ha. Ụmụ gị kwesịrị ịma na Chineke nọnyeere ha, nwee ike I chekwebe ha, ma kwadebere ha ịrụ ọrụ itunanya. Ezi agwà bụ ntọala anyị maka mkpebi, mkparamaàgwà na omume niile.

Otu ebumnuche di na mwulite agwa bụ ọdịdị, ya bụ mmadụ na-emetụta omenala ya n'uzo di mma. Koch na-echetara onye ọgụụ na mgbanwe bụ usoro nke chọrọ ịrụ ọrụ n'uto. Ọ na-adị mfe ịkpu agwa ma ndi nne na nna malite ya n'oge. Nkuzi ihe site na amaghi ihe ọ bụla dị mfe karịa nkuzi ihe site na ntọala ọjọọ. Ọ dị mkpa na nwatakịrị na-ebiputa àgwà ya na ndụ karịa nanị inwe agwa. Ọ dịkwa mkpa ụdị agwa o bu (dịka, nke tozuru okè vs nke etozoghi, nke ahụike vs nke adịghị mma, nke zuru ezu vs nke na-eto eto). Nke a ga-abụrịrị ihe kacha mkpa na ịzụ ụmụ. Ụzo àgwà atọ dị mkpa: ekele, ọnụ (joy), na ịrụpụta onwe. Jide Akwụkwọ Nsọ dịka ihe nlekwasi anya, na njirimara Akwụkwọ Nsọ dị n'ime, ụmụaka ga-enwe ike iji àgwà ha ugbu a gbanwee omenala ha.

Omume na-eduba na nrubeisi, dị ka ***Koch*** kwuru. Ụmụaka ga-aghọta ihe ndị a na-atụ anya n’aka ha ma mụtakwa iwu, ọ bụghị nanị ihe ha bụ, ma ihe kpatara ọdịdị na etu esi eso ha na ndu a. Nke a na-enye aka ịkọwa njikọ dị n'etiti ikpa agwa na nrube isi. Ịme ihe nlere anya, nkuzi na nkuzịarịa agwa ga-ebelata nnupụisi ma bawanye nrube isi nke sitere n’obi. Ụfọdụ ndụmọdụ gụnyere: ị bụ onye ji Chineke hiwe isi, ị na-amụ Okwu Chineke, ị na-akpakọrịta n’etiti ndi nwere egwu Chineke. Nke a na-eduba na mgbanwe site n’ikikere iwu (m ga-…) ịbụ (Abụ m onye na-eme ...). Nke a ga-eme ka nwulite agwa Akwụkwọ Nsọ sikwuo ike.

Koch jiri ụlọ kpọmkpọkwasa (pyramid) na-enye ntụnye maka ịhọrọ ụdị àgwà pụrụ iche. Isi ntọala bụ nchekwa, yana ọkwa njirimara, ihe onwunwe, ebumnuche na ikike ịmata nke kachasị elu. Ihe ndị ahụ ga-adị mkpa iji mata ihe ụmụaka ga-abụ n’ọdinihu nakwa ihe ha nwere ike mezuo n’ndụ. Gị na ụmụ gị ga-enwe ahụ́ ike karị ma tozuo okè mgbe ị matara n’onwe gị I buru ụzọ, kwere ma tụkwasị Chineke obi, Jizọs na Mmụọ Nsọ. Ọrụ nke nkanụzụ ga-abia aghọọ ihe dị mkpa, na-eme ka ihe dị mfe, ma o nwere ike duba mmadu na-ịchọ ọdịmma onwe onye.

Ịdị ka Kraịst dị mkpa maka àgwà nke Akwụkwọ Nsọ. Koch na-eduzi ndị nne na nna ịkụziri ụmụ akwụkwọ maka Kraịst, nkuzi Ya, na mmekọrịta Ya na ndị ọzọ. Ọ na-akwado ka ịmụ ihe banyere ndị dike n’Akwukwo Nso dị ka ihe imaatụ. Ọrụ eziokwu Chineke dị na Maịka 6:8, 2 Pita 1:5-8, Matiu 5:3-12 (Abụ Ngozi), 13-16, 21-48, na Ndị Galeshia 5:22-23 (mkpụrụ nke Mmụọ Nsọ). Ndị a na-enye echiche ụwa nke di n’ime Akwụkwọ Nsọ pụrụ ịgbanwe gị na ụmụ gị.

Ntọala nkwenye ndị dị mkpa ka ewepụtara iji wepụta usoro gi  na ụmụ gị ga- eji rụkọọ ọrụ. Ha gụnyere Okwu Chineke, okwukwe n’ime Kraịsti, mmekọrịta agbatobi gi na Jesu Kraịsti, na njuputa n’ike nke Mmụọ Nsọ. Jesu  kwenyere na ụmụaka kwesịrị ngọzi. Ya mere, O weputara ohere, ya na ha ji nọrịa n’oge nke ya. Ntọala nkwenye ndị ọzọ gụnyere nne na nna (na ịzụ ụmụ), mmụta, mgbanwe, na agwa. Ncheba  echiche na anyị chọrọ ka ụmụaka jiri agwa meputa ihe, na-abụghị naanị inwe agwa bụ isibungụ.

Koch nyere ọtụtụ atụmatụ maka nkuzi agwa. Otu bụ ime ya ka o buru ihe mbute ụzọ. Itụkwasịkwu n’ebe ndị nne na nna nọ, ịmụta ịdabere na Chineke n’onwe gị ga-egosiputa ọchịchọ obi unu n’ime ụmụ unu. Nke a ga-enye aka kuziere ha ka ha ga-esi mata ma soro nduzi nke Mmụọ Nsọ. Ha kwesịrị ịhụ ka I si eme ihe n'akparamàgwà Akwụkwọ Nsọ. Dịka ịmaatụ, ị nwere obiọma n'ihi na ọ bụ onye ị bụ, ọ bụghị naanị n’ihi maka ihe ị na-eme. Ịkwesịrị ichetara ha na mwulite agwa bụ ihe nhọrọ a na-emegharị ugboro ugboro. Ị kwesịrị ịja mma ma gbaziere ha dịka o kwesiri. Hapụkwa mmetara ka ọ kuziekwa nkuzi ya. Chetara ha na agwa bụ ihe nhọrọ, nakwa nhọrọ nwere mmetara ya. Mkparịta ụka bara uru na-enye aka, ọkachakwa mgbe nwatakịrị na-eto eto. Jiri ụma chọọ oge kacha mma nkuzi a. Kọwapụta njikọ dị n'etiti mkparama agwa dị iche iche.

Ihe mgbakwunye edereede a gụnyere ndepụta nke àgwà ahụike 48 na ihe megidere ha. Ha na-enye ntụaka iji ịghọta ebe nwa gị nwere ike yana ebe choro enyemaka iwulite uto. Ha nwere ike inyere gị aka ịmata ka ị ga-esi enyocha ogo nwa gị nọ na ntozu oke agwa.

Akwukwo Koch a na-enye ọtụtụ nghọta ga-enyere ndị nne na nna aka inwe ụzọ iche iche isi chee echiche ma soro ụmụ ha na-arụkọ ọrụ iji zụlite àgwà nke ime Akwụkwọ Nsọ. Echiche ndị a kwa ga-enyere ndị nne na nna aka ịmụta ịṅomi otu agwa ahu.